# NDỤ NHỤJUANYA NKE EZIOMUME NKE ONWEONYE

**Ndi Rom 7:1-25**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 386**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ya mere ugbu a ọ digh amamikpé ọ bula diri ndi nọ nime Kraist Jisus bú ndi nādigh-eje dika anu-aru si chọ, kama dika Mọ Nsọ si chọ" (Ndi Rom 8:1).**

**I Mkpughe nke mmehie site n'Iwu ahụ**

1 Ejiri iwu banyere ọlụlụdinanwunye mee iheịmaàtụ̀, Ndi Rom 7:1-6; I Ndi Kọrint 7:39

2 Iwu kpughere mmehie nke dị n'obi, Ndi Rom 7:7, 8; Ndi Galetia 3:19

3 Nwatakịrị ọ bụla bụ onye ikpé náamaghị tutu rue mgbe o toruru ịmata ịheọma na iheọjọọ, Ndi Rom 7:9; Matiu 19:14

4 Iheọmụ́má banyere Iwu ahụ naeweta amamikpé, Ndi Rom 7:10, 11; 3:20

5 Ihe ahụ enyere n'iwu dị nsọ, Ndi Rom 7:12-14; Abù Ọma 19:7-9

**II Ịgbámgbá nke Ịgbalị Ibindụ nke Ziriezi Náenweghị Ọmụ́mụ́ Ọhụụ Ahụ**

1 Mmehie naachị anụarụ, Ndi Rom 7:14, 15, 17-21, 23; Jọn 8:34; Ndi Rom 6:16

2 Akọnauche nabatara eziomume nke dị n'Iwu ahụ, Ndi Rom 7:16, 22

3 Etirimkpu maka Onyemgbapụta, Ndi Rom 7:24; Luk 18:13

4 Akpọrọ aha nke Onyemgbapụta ahụ, Ndi Rom 7:25; Matiu 1:21

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Iwu nke Ọlụlụdinanwunye

Pọl jiri iwu nke ọlụlụdinanwunye mee ihe ịmaátụ̀ iji gosipụta ebe Iwu nke Moses jedebere. N'ụbọchị ndị a anaewe mkwà dị icheiche nke ọlụlụdinanwunye dịka ihe náadịghị mkpà, ma Jisọs sịrị "Unu agugh na Onye kèrè ha site ná nmalite mere ha nwoke na nwayi, we sị, N'ihi nka ka nwoke gārapu nna-ya na nne-ya, rapara n'aru nwunye-ya: ha abua ewe ghọ otù anu-aru? Ya mere, ha abugh kwa madu abua ọzọ, kama ọ bu otù anu-aru. Ya mere, ihe Chineke kekọtara, madu atọsala" (Matiu 19:4-6). "Onye ọ bula nke gārapu nwunye-ya, ma-ọbugh n'ihi ikwa-iko, luru kwa nwunye ọzọ, ọ nākwa iko: onye nke gālu nwayi ahu mgbe arapuworo ya nākwa kwa iko" (Matiu 19:9). Ọlụlụdinanwunye bụ ihe ekekọtaraekekọta dịka iwu dị icheiche nke Chineke na kwa iheịmaátụ̀ ahụ nke enyere na Matiu isi nke irinaiteghete si dị, "tutu rue mgbe ọnwu gāekewa ayi."

N'igosi otú nwanyị nwereonwe ya ịlụgharị di ọzọ mgbe di ya nwụsịrị, Pọl gwara ụmụnna ya ndị maara Iwu ahụ ma bụrụ kwa ndị ekekọtawororị n'ebe iwu ahụ dị na ha bụ ndị nweereonwe ha n'ebe iwu ahụ dị site n'ọnwụ nke Kraist. Nke mbụ ọ sịrị: "Ya mere, umu-nnam, esite-kwa-ra n'aru Kraist me ka unu onwe unu nwua n'ebe iwu di: ka unu we lakuru di dị iche." Unu anwụwo n'ebe Iwu ahụ dị, maọbụ n'ụzọ ọzọ, unu anọghị kwa n'okpuru Iwu ahụ maọlị. Mgbe ahụ ọ tụgharịkwara okwu ahụ n'ụzọ ọzọ, náakọwa na Iwu ahụ nwụrụanwụ. "Ma ugbu a atọpuwo ayi n'iwu ahu, ebe ayi nwuru n'ebe ihe ahu di nke ejidesiri ayi ike nime ya." Otú anyị naahụ́ inwereonweonye zuruòkè site n'Iwu nke Moses.

Site n'ọnwụ Ya, Kraist mezuru Iwu ahụ, wee mee ka ndị ahụ bụ́ ndị nọ n'okpuru Iwu ahụ nwereonwe ha ka ha wee bụrụ ndị nwunye Ya site ná mbiliten'ọnwụ Ya. "N'ihi na Kraist bu nsọtu iwu iwetara onye ọ bụla nke kwere ezi omume" (Ndi Rom 10:4). Ugbu a Iwu ahụ nwụworo anyị pụrụ ifè Onyenweanyị òfùfè "n'idi-ọhu nke Mọ Nsọ, ọ bụgh kwa n'idi-ochie nke ihe edeworo n'akwukwọ." Site n'ahịrịokwu a apụrụ ịhụ́ ebe ndị Juu si hie ụzọ n'okpuru Iwu ahụ. Ha debere yà "n'idi-ochie nke ihe edeworo n'akwukwọ" kama idebe ya site n'okwukwe "n'idi-ọhu nke Mọ nsọ." N'oge garaaga ha "miri mkpuru nye ọnwu," ma ugbu a o kwesịrị "ka ha mịara Chineke nkpuru." Lee otú ịdịochie ha si dị ukwu!

### Ike Nke Mkpughe nke Iwu ahụ

Iwu ahụ n'onwe ya abụghị mmehie, kama o kpughere mmehie ahụ nke dịwororị nke mere na o nyere iwu dị icheiche nke pụrụ iche dịka, "Gi enwela anya uku." N'ihe banyere omume nke mmadụ ọ bụ ihe ọjọọ inwe_anyaukwu, náagbanyeghị ma edere ya n'Iwu maọbụ na edeghị ya. Ma ihe ahụ enyere n'iwu kpughere mmehie nke anyaukwu tupu enye ihe ahụ enyere n'iwu. Pọl sịrị, "Mu onwem nādi ndu." Atụgharịa ya n'ụzọ ọzọ ọ pụtara, enweghị m amamikpé nke mmehie tupu rue mgbe ekpughere ya nye m na ọ bụ iheọjọọ inwe

anyaukwu. Emere ka akọnauche tetan'ụra mgbe ihe ahụ enyere n'iwu bịara, o wee hụta onwe ya na ọ pụghị idebe ya. "Mmehie, ebe ọ nara ihe ọ gēji megidem, o sitere n'ihe enyere n'iwu ghọgbuem, site kwa na ya gbuem." Ihe ahụ enyere n'iwu dị mma ma dị kwa nsọ; ọ bụghị kwa ihe ahụ enyere n'iwu wetara ọnwụ, kama o mere ka mmehie ahụ dị nime ya nke náalụpụta kwa ọnwụ pụta ìhè. "Ihe ahu enyere n'iwu, nke nēduba ná ndu, ka m'huru na ọ bu ihe nēduga n'ọnwu."

**Mmasị nke Iwu ahụ Nye Akọnauche**

"N'ihi na ayi matara na iwu ahu bu ihe nke Mọ: ma mu onwem bu ihe nke anu-aru, erewokwam inọ n'okpuru nmehie." Mgbe Pọl matara ihe banyere iwu ahụ na mbụ ọ nabatakwara eziomume nke dị nime ya. Otù ọchịchọ wee bata nime ya irubeisi nye Iwu ahụ n'ihi eziomume nke dị na ya. Uche ya na akọnauche ya nabatara Iwu ahụ -- ọchịchọ ya bụ kwa irubeisi na ya. Kama ọ hụrụ nime onwe ya na ọ pụghị idebe Iwu ahụ n'ike nke onwe ya. Náagbanyeghị mgbalị ya nime ọnọdụ ya nke enweghị ọ̀mụ́mụ́ ọhụụ ahụ nime mmụọ ọ chọpụtara na ya bụ onye náadịghị ike na onye naeme kwa mmehie. Ọ sịrị: "Mu na iwu Chineke nēnwekọ obi-utọ dika madu imem si di: ma anamahu, nādọtakwam n'agha nye iwu nke mmehie nke di n'ihe nile dim n'aru."

**Ịbụorù nke Mmehie**

"Onye Etiopia, ọ̀ gāgbanwe akpukpọ-aru-ya? Ma-ọbu agu, ọ̀ gāgbanwe agwa-ya? ọburu otú a unu onwe-unu puru kwa ime ezi ihe, bú ndi emere ka unu muta ime ihe ọjọ" (Jeremaia 13:23). Amaokwu a nke si n'Akwụkwọnsọ na akwagide ịgbaàmà nke Pọl nke náekwu na ọ bụ ihe anaapụghị ime maọlị bụ mmadụ imeri mmehie ma ọ bụrụ na ebughị ụzọ mụọ ya ọzọ. Enwere náánị otù ụzọ maka ọgwụgwọ, nke ahụ bụ ịbịa n'obi dị umeala n'ụkwụ nke Obe ahụ ma rịọ kwa arịrịọ maka ebere. "Ọbara Jisus, bu Ọkpara-Ya, nāsachapu kwa ayi nmehie nile" (I Jọn 1:7).

"Madu nke hujuru anya ka mu onwem bu! ònye gādọputam n'aru nke ọnwu a?" Ọnọdụ nke nhujuanya a ka Pọl hụrụ onwe ya nime ya mgbe ọ matasịrị onwe ya dịka onye mmehie na tupu ya echègharịa. nke a bụ ọnọdụ nke ọtụtụ mmadụ nọ nime ya taa bụ́ ndị nweworo ìhè nke okpukpé nke ndịKraist ma náagbalị ibindụ nke OnyeKraist náebughị ụzọ nwee ọ̀mụ́mụ́ ọhụụ ahụ. Ụfọdụ naaga n'iru n'ikwu na nke a bụ ịgbámgbá nke OnyeKraist megide mmehie. Otú ọ dị, ndụ nke OnyeKraist abụghị nke nhujuanya na nke anaemeri n'agha, kama ọ bụ ndụ nke náemeriemeri nke nwewokwara onwe ya site n'ịbụorù nke mmehie. "Onye ọ bula nke nānọgide nime Ya adigh emehie: onye ọ bula nke nēmehie ahugh Ya anya mgbe ọ bula, ọ magh kwa Ya" (I Jọn 3:6).

**Nnara Site N'okpokoroisi na Nchègharị site N'Obi**

"Ya mere otú a mu onwem ji uchem buru orù nke iwu Chineke: ma ejim anu-arum buru orù nke iwu nmehie." Anyị gaasị na nke a bụ ọnọdụ Pọl mgbe o chègharịsịworo? Nke a ọ bụ mgbapụta ahụ nke Kraist nwụrụọnwụ ka O wee weta? Nke a ọ bụ ihe mmụọozi ahụ bu n'uche mgbe ọ sịrị, "Ya onwe-ya gāzọputa ndi nke Ya ná nmehie nile ha" (Matiu 1:21)? Nke a ọ bụ ihe Pita naatụaka mgbe ọ kwuruokwu banyere "mgbaghara nmehie nile" (Ọlu Ndi-ozi 2:38)?

Ndị ahụ bụ́ ndị naarụụka bụ́ nnwapụta nke OnyeKraist mgbe o nwesịworo ọmụmụọhụụ ahụ akaamaghị ihe banyere ọñụ nke mgbaghara mmehie. Ha amaghị ihe banyere ndụ nke "ọ digh amam-ikpe" nke Pọl na ekwu ihe banyere ya na Ndi Rom isi nke asatọ. Òfùfè a nke iji uche bụrụ orù nke Chineke na iji anụarụ náeme mmehie abụghị ezi òfùfè nye Chineke. Jisọs sịrị, "Ọ digh onye ọ bula puru ibu orù nke nna abua" (Matiu 6:24). Ndụ a nke anaemeriemeri na nke nhụjuanya bụ ndụ nke eziomume nke onweonye. Enwere ọtụtụ mmadụ bụ́ ndị naanara okwu ahụ na Iwu nke Kraist dị mma n'okpokoroisi. Ha naekwupụta Kraist dịka Onyenzọpụta ha, ma ha enweghị mgbanwe nke obi nke gaenye ha ike ibindụ nke náemeriemeri. Ha naagbasịmgbá ike ime eziihe, ma ha naada mgbe niile, ha kwere na Oziọma ahụ dị mma ma ha enweghịike nime ha ime ihe dị nime ya.

"Ọ bụghị onye ọ bụla nke nāsim, Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, gābà n'ala eze elu-igwe, kama ọ bu onye nēme ihe Nnam Nke bi n'elu-igwe nāchọ. Ọtutu madu gāsim n'ubọchi ahu, Onye-nwe-ayi, Onye-nwe-ayi, àyi ejigh aha-Gi bu amuma, àyi ejigh kwa aha-Gi chupu ndi-mọ-ọjọ, àyi ejigh kwa aha-gi lu ọtutu ọlu di ike? Ma mgbe ahu ka M'gēkwuputara ha, si ọ digh mgbe ọ bula M'mara unu: si n'ebe M'nọ pua, unu ndi nālu ọlu nēmebi iwu" (Matiu 7:21-23).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 N'ọnọdụ dị añaa ka nwanyị nwere ike ịlụgharị di ọzọ wee ghara ịbụ nwanyị náakwaiko?

2 Gịnị ka ị lakwuru di dị iche, n'amaokwu nke anọ pụtara?

3 Gịnị bụ ihe ahụ nke lụpụtara ndị ahụ nọ n'okpuru Iwu ọnwụ?

4 Gịnị bụ ihe ahụ kpughere mmehie nye ndị ahụ nọ n'okpuru Iwu?

5 Gịnị mere Pọl enweghịike ime ihe ahụ ọ chọrọ ime tupu azọpụta ya?

6 Gịnị bụ ihe yiri ibeya n'ọnọdụ nke anaahụ́ taa n'etiti ndị ahụ bụ́ ndị náenweghịike ime ihe ahụ nke bụ eziihe?

7 Ònye nwereike ịnapụta ná nsogbu a? N'ụzọ dị añaa?

8 Gịnị ka ahịrịokwu a pụtara, "Ayi nābu orù n'idi-ọhu nke Mọ Nsọ, ọ bugh kwa n'idi-ochie nke ihe edeworo n'akwukwọ"?